# ONYINYE DI MMA          $A^b$ 4/4 (Allegreto)

**CHORUS**

(Sop & Alto): Umu Chineke gaa n'iru, gaa nye Chineke iheoma; O bu Chineke bu Onye nwe onyinye di mma.  Umu Chineke, gaa n'Altar Chineke, O bu Chineke bu Onye nwe onyinye gi.

Tenor: gaa n'iru nye Y'onyinye; nye Ya-- Onyinye di mma
Gaa n'altar, altar nke Chukwu; nye Ya-- Onyinye gi.

Bass: Gaa n'iru Nna, nye Ya onyinye di mma; O bu Ya nwe onyinye umu Chineke
Gaa n'iru Nna, nye Ya onyinye di mma, O bu Ya nwe onyinye gi.

Interlude before every verse: (Bass): Umu Chineke, (alto, tenor and bass): Gaa n'iru Nna, nye Ya Onyinye di mma.

Verses by sop and alto follow:

1. So Ngi Chukwu, by Onye di mma
   So Ngi bu Eze ker'uwa nile
   So Ngi Chukwu, bu Onye onyinye,
   O Chineke biko nar'onyinye anyi.

Bass and tenor background: Turu m tum etc in all verses.

2. So Ngi Chukwu na'gozi ndi Gi
   Mgbe nile, n'ebe nile
   Nara Chukwu, onyinye ndi Gi
   O Chineke biko nar'onyinye anyi

3. Na Ngi Chineke k'obi m gbabara
   O Chukwu ji ndu, n'onyinye nile
   Ihe nile m nwere si n'aka Gi
   O Chineke biko nar'onyinye anyi

4. Otutu ndi mmadu ji ngala
   Mebie onyinye I nyere ha
   Ma gozie, Chineke, onyinye ndi nke Gi
   O Chineke biko nar'onyinye anyi

5. Ego n'enyere ndu aka
   O bughi isi ndu, o bughi ndu n'onwe ya
   Onye Chukwu goziri, kele Chi ya
   O Chineke biko nar'onyinye anyi

6. Aku n'uba m bu Chukwu nwe ha
   A ga m eji haa, we jere Chi m ozi
   Maka na onye n'enye ka O n'enye mmaji
   O Chineke biko nar'onyinye anyi.

 